JOURNAL OF ARTS, RELIGION, PHILOSOPHY AND CULTURAL STUDIES; VOLUME 2 NUMBER 2, 2026
ISSN: 3121-8644 (PRINT); E-ISSN: 3121-8636 (ONLINE)

# NNỌCHITE ANYA NKWENYE NA OMENALA NDỊ IGBO N'IME AGỤMAGỤ

**Ayozie Chioma Rosemary**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri**
**Email: chioma.ayozie@futo.edu.ng**
**&**
**Mgborogwu Andrew Chukwuemeka**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri**
**Phone:+234 803 799 2717**

**Ụmị**
Akwụkwọ agụmagụ bụ otu ụzọ dị mkpa e si egosipụta echiche, ahụmihe na ndụ ndị mmadụ. Ọ na-arụkwa ọrụ dịka akụrụngwa na-egosipụta omenala na nkwenye nke obodo. Agụmagụ bụ ọrụ nka nke na-ekpughe echiche na nghọta onye odee banyere ndụ n'ime obodo ma na-enye aka ịkọwa usoro ndụ, omume na ụkpụrụ mmekọrịta dị iche iche n'etiti mmadụ na ibe ya. Nkwenye bụ usoro echiche maọbụ ozizi ndị mmadụ maọbụ obodo nabatara dịka eziokwu, ebe omenala bụ nnyefe omume, nkwenye na usoro ndụ site n'otu ọgbọ gaa n'ọgbọ ọzọ. Nchọcha a lekwasịrị anya n'ịtụle ụfọdụ nkwenye na omenala ndị Igbo dịka e gosipụtara ha n'akwụkwọ *Ụwa dị omimi* na *Ekwutọsị*, site n'iji ha kọwaa etu agụmagụ si bụrụ ụzọ e si echekwa ma na-ekpughe ndụ ọdịbendị ndị Igbo. Nchọcha a gbasoro usoro nkọwa. E jiri atụtụ nnọchite omenala nke Hall wee tụchaa nchọcha a. A chọpụtara na agụmagụ Igbo na-arụ ọrụ dị mkpa n'ịkọwa na ịkwalite omenala na nkwenye ndị Igbo. E si n'agụmagụ ndị a họọrọ were gosipụta ụfọdụ nkwenye dịka nkwenye na chi, ịkwa ozu, nrọ na nkwenye na omume ọma na mmehie nwere ụgwọ ọrụ ha. A chọpụtara na omenala ndị Igbo dịka alụmdi na nwunye, ekele, ịgọ ọjị na nwa nwoke ịnọchi anya nna ya pụtara nke ọma n'ime akwụkwọ ndị a. A chọpụtakwara na agụmagụ na-enye aka ichekwa ọdịbendị ndị Igbo site n'idekọ ma na-egosipụta ndụ ha n'ụdị a pụrụ ịghọta. N'ihi nke a, agụmagụ bụ ngwaọrụ siri ike n'ịkụziri ọgbọ ọhụrụ gbasara omenala na nkwenye ha na ịkwalite nghọta n'etiti obodo dị iche iche. A tụrụ aro na ndị na-ede akwụkwọ agụmagụ Igbo kwesịrị ịga n'ihu n'ide akwụkwọ ga na-egosipụta nke ọma nkwenye na omenala ndị Igbo ka e wee chekwaa ọdịbendị ahụ maka ọgbọ na-abịa n'ihu.

**Ọkpụrụkpụ okwu: Agụmagụ Igbo, nkwenye, omenala na ngosipụta ọdịbendị**

## Mkpọlite

Agụmagụ enwetala nkọwa dị iche iche site n'aka ndị ọkammụta, mana a bịa n'ebumnuche ọrụ a, a na-ewere agụmagụ dịka ọrụ nka nke na-anọchi anya omenala na nkwenye ndị mmadụ bi n'otu obodo. Nke a bụ ihe e ji kwuo na ndị odee anaghị ede ihe n'efu, ha na-ede gbasara ndụ ndị mmadụ bi n'ebe dị iche iche na etu ha si ebi ndụ ha kwa ụbọchị. Dịka Ani na Anachunam (2011) kwuru na agụmagụ bụ ụzọ e si eji akanka edemede ezipụta usoro obibi ndụ ndị mmadụ bụ echiche ndị ugbu a gbasara otu ha siri hụ ma were ụwa na usoro ha si ebi ndụ n'ime ụwa ha hụrụ onwe ha. Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi na Odii (2013), sị na agụmagụ bụ ọrụ nka a kọwapụtara n'ụzọ agụrụagụ nke na-akọ maka ndụ na obibi ya. Nke a pụtara na agụmagụ na-apụta site n'ahụmahụ mmadụ, mmekọrịta ha na gburugburu ha. O nwekwara ikike imetụta echiche ọhụrụ metụtara mmadụ ma gosipụta ndụ ndị mmadụ n'ụzọ doro anya. Ọrụ dị iche iche agụmagụ na-arụ dịka ihe a na-amụ n'ụlọakwụkwọ maọbụ ihe ndị mmadụ na-agụ maka ntụrụndụ, na-egosi na agụmagụ nwere ike ime ka e nwee mgbanwe dị mma n'echiche na n'omume mmadụ. Ọtụtụ ndị odee na-elekwa anya n'isiokwu na ebe ihe omume si mee n'akwụkwọ ha, nke a na-egosi isiokwu na ndịniisiokwu bụ ihe dị mkpa n'ịghọta ozi dị n'akwụkwọ agụmagụ. N'ihi ya Ikeora na Anedo abụghị ndị dị iche, n'ihi na ha lekwasịrị anya n'isiokwu na ndịniisiokwu nke akwụkwọ ha bụ *Ụwa Dị Omimi* na *Ekwutọsị* bụ nke lekwasịrị anya na nkwenye na n'omenala ndị Igbo. Uzochukwu (2018) kwusiri ike na agụmagụ Igbo na-adabekarị n'omume na nkwenye ndị mmadụ ma bụrụkwa otu n'ime ụzọ ndị Igbo si ebufe, egosipụta ma na-akọwa omenala ha. N'ihi ya, agụmagụ Igbo ọbụla na-enweghị mgbọrọgwụ, nkwenye na omenala ndị Igbo yiri ụgbọ mmiri na-efegharị na-enweghị ọdụ.

Nkwenye na omenala obodo na-apụta ihe n'omume ha kwa ụbọchị nke gụnyere omume, okwu na ihe ha na-ede. Ibekwe (2020) kọwara na ndị odee Igbo na-eji asụsụ, edemede ha nyochaa ma gosipụta ihe ndị a n'ụzọ doro anya dịka a hụrụ n'ọrụ Ikeora na Anaedo. N'aka nke ọzọ, Onwuka (2011) gosịrị na agụmagụ abụghị naanị ụzọ e si enye ntụrụndụ kama ọ bụkwa ngwaọrụ nke na-agbanwe mmadụ n'ihi na ọ na-enye aka ịkụziri mmadụ ụkpụrụ ndụ. Eze (2019) kwadoro nke a site n'ịkọwa na agụmagụ na-enye aka ime ka a ghọta mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke ọma. N'ime agụmagụ Igbo, a na-ahụkarị etu e si eji akụkọ gosipụta ihe gbasara okpukperechi, alụmdi na nwunye na mmekọrịta ezinaụlọ. Nke a na-enye aka ka agụmagụ bụrụ ụzọ e si echekwa akụkọ ihe mere eme ma na-enye ọgbọ ọhụrụ ohere ịmụta banyere omenala na nkwenye ha. N'ihi ya, ọrụ ndị odee dịka Ikeora na

Anedo ga-enye aka ịkwalite nghọta banyere omenala na nkwenye ndị Igbo site n'ịkọwapụta ihe ndị dị mkpa gbasara omenala na nkwenye n'ụzo doro anya ma na-adọrọ mmasị ndị mmadụ.

**Ntụlegharị Agụmagụ**

Ndị nchọcha ga-anọ n'ebe a tụlegharịa ọkpụrụkpụ okwu pụtara ihe, zipụta atụtụ e ji tụchaa edemede nchọcha ma tụchakwa omenala na nkwenye pụtara ihe n'agụmagụ ndị a a họọrọ.

**Agụmagụ ndị Igbo**

Agụmagụ bụ echiche mmadụ chere, nke a haziri n'usoro dị mma, wee kesaa ya maọbụ depụta ya n'akwụkwọ nke na-enye mmụta na echiche dị omimi nye ọgụụ n'ikpeazụ. Ọ bụ ọrụ edemede nke mmadụ ji egosipụta echiche, mmetụta na amamihe ya banyere ndụ na gburugburu ya. Ọ na-adị n'ụdị dị iche iche dịka abụ, iduuazi na ejije, nke a na-eji asụsụ na nka were mee ka ozi dịrị ndụ ma maa mma. Dịka Okafo na Ewelukwa (2012) kwuru na agụmagụ bụ echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọbụla, nke e jiri asụsụ nka kọwapụta. Ọ bụ ihe niile e dere ede maọbụ ihe niile a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo maọbụ n'otu oge. Ọ bụ ihe odide niile nke e chere bara uru site n'ọkpụ ruo n'ọkpụ, bịa dị mma na-akpalite mmụọ ndị mmadụ. Chinagọrọm (2013) hụtara agụmagụ dịka iji asụsụ dị mma dịkwa ọgọ were wepụta ihe ọbụla e dere ede maọbụ nke e kwuru ekwu. Ebe Uzochukwu (2004) sị na agụmagụ dịka iji asụsụ wepụta nkamma bụ ihe dịkasịrị iche n'agụmagụ na ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Nwadike (2014) kọwara na agụmagụ Igbo na-arụ ọrụ dị mkpa n'ichekwa asụsụ, omenala na akụkọ ọdịnala site n'iji akụkọ ifo na akụkọ ndụ mee ka amamihe ndị nna nna anyị ha ghara ịda. Nke a na-egosi na agụmagụ bụ enyo na-egosipụta ndụ ndị mmadụ ebe a na-ahụ omume, nkwenye na usoro ndụ ndị mmadụ. Ya mere Silas (2011) jiri kwuo na agụmagụ bụ enyo nke na-ezipụta ihe niile na-eme n'agụmagụ ọdịnala dịka omenala, nkwenye, obibi ndụ, ejiji na emume nke otu mba ma detuo ya n'akwụkwọ ka ndị mba ọzọ wee mata ya.

Agụmagụ na-arụ ọrụ mmụta na mmepe. Dịka Okpeuho (2009) si kwuo, agụmagụ Afrịka, gụnyere nke ndị Igbo, na-arụ ọrụ dị ukwuu n'ịkụziri mmadụ ụkpụrụ omume, dịka ezi omume, nkwanye ugwu na ịdị n'otu. Site n'agụmagụ, a na-egosipụta ọ di iche dị n'etiti ezi na ajọ omume, nke na-enye aka ịtọ ntọala ezi ndụ n'obodo.

**Omenala ndị Igbo**

Omenala bụ nnyefe ozi, usoro obibi ndụ na omume site n'okwu ọnụ maọbụ site n'ịṅomi ihe atụ site n'ọgbọ gaa ruo n'ọgbọ ọzọ n'ime ọha mmadụ. Anozie (2003) kwuru na omenala bụ ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si ebi ndụ. Ọ bụ isi okirikiri nke ndụ ndị Igbo, nke na-achịkwa omume, echiche na usoro mmekọrịta ha n'obodo. Abakere (2009) kwuru na omenala bụ ụzọ ndụ, omume e kesara ma mụta nke otu ndị mmadụ. Ọ gụnyere ihe niile anyị na-eche, na-eme ma na-enwekwa dịka ndị so n'ọha mmadụ. Ya mere, ọ gụnyere, echiche, ụkpụrụ, nkwenkwe, agụmagụ okpukpe na nka ihe ọmụma nke ndị mmadụ. Ọ gụnyekwara iwu ndị na-eduzi omume ha na ihe ndị a na-ahụ n'ụwa na ihe onwunwe dị n'etiti ha. Nke a pụtara na omenala na-ezo aka n'ihe nketa mmekọrịta mmadụ dum, gụnyere ihe ọmụma niile, nkwenkwe, omume ọdịnala na nka mmadụ mụtara dịka onye so n'ọha mmadụ.

N'ime agụmagụ, omenala na-apụta dịka ụzọ e si egosipụta njirimara na eziokwu ndụ ndị mmadụ. Dịka Ndụka (2014) siri kwuo, agụmagụ Igbo na-egosipụta nkwenye na omume ọdịnala nke na-eme ka a mata onye Igbo n'eziokwu. Ya mere omenala n'ime agụmagụ abụghị naanị akụkọ a na-akọ, kama ọ bụ enyo na-egosi ndụ obodo. Omenala na-apụta ihe n'ụdị dị iche iche ndị Igbo si ebi ndụ ha. Nke a gụnyere usoro alụmdi na nwunye, ebe a na-agbaso ụzọ ịjụ ase, ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị na ịgba nkwụ. A na-ahụkwa omenala n'emume dịka ịgụ nwa aha, ọmụgwọ, ịgba afa, iri ji ọhụrụ, ịwa akwa na olili ozu. Emume ndị a na-egosi ịdịnotu, nkwanye ugwu na njikọ dị n'etiti ndị dị ndụ na ndị nna ochie.

Ọzọkwa, omenala na-egosipụta usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ndị Igbo na-akwanyere ndị okenye ugwu, na-elekọta ụmụaka ma na-ahụ maka ịnọ n'udo n'obodo. Omenala na-apụtakwa n'iji asụsụ Igbo, akụkọ ifo, egwu na abụ were eme ihe. Ihe ndị a na-enye aka ichekwa amamihe na akụkọ ndụ gara aga. Omenala n'ime agụmagụ bụ ụzọ e si egosipụta njirimara, ụkpụrụ omume na usoro ndụ ndị Igbo. O na-enyekwa aka ime ka ọgbọ ọhụrụ mata ma chekwaa ihe nna nna ha hapụrụ.

**Nkwenye ndị Igbo**

Nkwenye bụ echiche, okwukwe na ihe ndị mmadụ ji obi ha nabata dịka eziokwu gbasara ụwa na ihe karịrị ikike mmadụ. Okafo na Ewelukwa (2012) kwuru na nkwenye bụ ihe ndị obodo kwekọrịtara na ha na-eme. N'ala Igbo, nkwenye bụ akụkụ dị mkpa nke omenala n'ihi na ọ na-achịkwa omume, mkpebi na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Anozie (2003) kwuru na ndụ ndị Igbo, e nwere ọtụtụ nkwenye. A na-eji nkwenye akọwa ọtụtụ ihe na ndụ ha nke ha na-enweghị ọsịsa ya bụ ihe ha kwenyere nwere nghọta na-emekwa eme na ndụ ha.

N'ime agụmagụ, nkwenye na-apụta dịka ụzọ ndị odee si egosipụta ụwa, echiche na ndụ mmụọ ndị Igbo. Nkwenye ndị Igbo bụ ntọala nke echiche ha banyere mmadụ, ụwa na chi. Otu n'ime nkwenye kacha pụta ihe bụ nkwenye n'ime chi. Ndị Igbo kwenyere na onye ọbụla nwere chi nke ya na-edu ya n'ụzọ ndụ. A na-ahụ nke a n'ime ọtụtụ agụmagụ ebe a na-egosi na ihe ọma maọbụ ihe isiike mmadụ na-ahụ nwere njikọ na chi ya. Anozie (2003) kwuru na ndị Igbo nwere nkwenye n'ime ndị nna nna ochie. Ha na-ewere ha dịka ndị nche ezinaụlọ na

obodo, ndị nwere ike ịkwado ndị dị ndụ maọbụ dọọ ha aka na ntị. Nke a na-apụta n'ime agụmagụ site n'akụkọ gbasara mmụọ nna nna, ịchụ aja na ịrịọ ha ka ha nye aka n'oge nsogbu. Nkwenye n'ime agụmagụ na-egosipụta etu ndị Igbo si aghọta ndụ chi na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ụwa mmụọ. Ọ na-enyekwa aka ichekwa okwukwe na echiche ndị nna nna hapụrụ ka ọgbọ ọhụrụ wee mụta ha.

N'ịgbakwụnye n'ihe gbasara mkpa agụmagụ dịka ihe na-egosipụta nkwenye na omenala ndị mmadụ, ọrụ agụmagụ bụ idobe echiche mkpọkọta nke ndị mmadụ ka ọ dị ndụ, ka ndị obodo wee nwee ike itinye ume ha n'ịrụkọ ọrụ ọnụ maka mmepe obodo. Agụmagụ abụghị naanị ihe na-egosipụta ọnọdụ ndụ kama ọ na-enwekwa mmetụta n'ebe nkwenye na omenala ndị obodo.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ atụtụ ụkpụrụ nnọchite omenala nke Stuart Hall (1997). Atụtụ ụkpụrụ nnọchite omenala bụ atụtụ nchọpụta nke a na-eji enyocha otu e si egosipụta echiche, omenala na nkwenye dị iche iche n'ime ederede. Atụtụ a na-akọwa na agụmagụ abụghị naanị akụkọ maka ntụrụndụ kama ọ bụ usoro e si ewulite ma na-egosipụta ụwa, echiche, ndụ, omenala na nkwenye nke obodo.

Atụtụ a na-egosi na agụmagụ na-arụ ọrụ dịka enyo nke omenala, ebe a na-ahụ nkwenye, omume na usoro ndụ nke obodo. Ọ na-akọwa na asụsụ na ihe odide na-esi n'agụmagụ na-arụ ọrụ dị ka n'ịkpọpụta na inyocha otu mmadụ si aghọta ụwa ya. N'ihe gbasara isiokwu a bụ nnọchite anya nkwenye na omenala ndị Igbo n'ime agụmagụ, atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-enye ohere ịghọta agụmagụ Igbo dịka ebe a na-egosipụta ndụ na echiche ndị Igbo. Ya mere, atụtụ a ga-enyere nnyocha a aka n'igosi na agụmagụ Igbo bụ ụzọ dị mkpa e si echekwa ma na-egosipụta ndụ, omenala na nkwenye ndị Igbo n'ụdị ederede.

**Agụmagụ dịka ụzọ e si egosipụta nkwenye na omenala ndị Igbo**

Dịka e kwurula n'elu, nkwenye ndị Igbo na omenala ha na-agakọ ọnụ. Ha na-akwado ibe ha. Agụmagụ na-egosịkarị nkwenye na omenala ndị mmadụ, ebe nkwenye bụ usoro ụkpụrụ maọbụ ozizi mmadụ maọbụ otu mmadụ na-ahụ maọbụ na-anabata dịka eziokwu ma omenala bụ nnyefe omume maọbụ nkwenye site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Ya mere agụmagụ na-abụkarị nǹomi ndụ. Ọ na-enye, na-akọwa ma na-ekpughe ụkpụrụ ndị obodo nabatara, ma na-egosikwa omume maọbụ nkwenye ndị a na-ebufe site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Nke a ka agụmagụ na-eme site n'ụzọ ndị odee dị iche iche, ndị e nyere ike ide ihe na ịhazi ihe n'ụdị egwuregwu, ejije maọbụ iduuazi iji mezuo ebumnuche ha.

Ndị odee si n'agbụrụ dị iche iche na-ewepụta nkwenye na omenala obodo dị iche iche site n'ime ka ndị mmadụ mara na ha dị adị n'eziokwu. Ịmaatụ, ndị odee si n'obodo ụfọdụ na-ede ma na-ekpughe nkwenye na omenala obodo ha, nke na-eme ka ndị si obodo ọzọ nwee nghọta banyere nkwenye na omenala ha.

Anyị ga-amata nkeọma banyere nkwenye na omenala ndị Igbo site n'iji ọrụ Ikeora (2015) na Anedo (2003) mee ihe atụ.

*Ụwa Dị Omimi* na *Ekwutọsị* bụ agụmagụ Igbo ndị na-egosipụta nkwenye na omenala ndị Igbo. Ha bụ akwụkwọ agụmagụ e ji dịka ngwaọrụ egosi nkwenye na omenala ndị Igbo. Ọ bụ ihe na-agba akaebe n'omume ha dị iche iche kwa ụbọchị. N'okpuru ebe a bụ ụfọdụ nkwenye na omenala ndị Igbo e gosipụtara n'ime agụmagụ ndị a:

**Nrọ:** Nrọ bụ ihe ndị na-eme na ndụ mmadụ oge ọ na-arahụ ụra maọbụ ihe mmadụ na-ahụ n'ụra. Ndị Igbo kwenyere na nrọ. Nke a mere ha ji ahụ nrọ dịka ụzọ e si amata ozi n'aka ndị ichie lara mmụọ maọbụ ndị mmụọ n'onwe ha. Ndị Igbo anaghị eji nrọ egwu egwu ọkachasị mgbe ha rọrọ ihe ọjọọ na nrọ. A na-ahụ ụfọdụ nrọ dịka ihe na-akọwa ihe ga-eme n'ọdiniihu maọbụ na-enye ndụmọdụ maọbụ ịdọ aka na ntị. Ya mere, mgbe ndị Igbo rọrọ nrọ, a na-enyocha ya nke ọma iji mata ihe ọ pụtara. E gosipụtara nke a n'akwụkwọ Ikeora (2015) *Ụwa Dị Omimi* mgbe

> Chikaodili batara ọrụ otu abalị wee lakpuo ụra n'ihi na ọrụ ọ rụrụ ụbọchị ahụ gwụrụ ya ike. Ka ọ kụrụ elekere abụọ nke ime abalị, ọ malitere rọwa nrọ ebe o bu ọgbatumtum na-agba n'ụzọ. Oge ọ chọrọ igbafe ụzọ ebe ụgbọala na-agba ka otu nnukwu ụgbọala ọ maghị ebe o si pụta gbaara bịa kụọ ya na ọgbatumtum ya, kụlaa ya n'otu nnukwu olulu dị n'akụkụ ụzọ ahụ. Mgbe nke a na-eme ka ọ malitere n'elu akwa ebe ya na nwunye ya na-arahụ ụra. (ihu akwụkwọ 1-2)

Site na nrọ a, a gbaara Chikodili ama ihe ga-eme ya n'ọdịniihu. Ya mere ka chi bọrọ, Nneọma nwunye Chikodili jiri gwa Chikodili

> Nna m ukwu, ọ ga-amasị m ka ị ghara ịga ọrụ taa, ka anyị abụọ gakwuru otu onye amụma nọ n'obodo maka ịkọwara anyị ihe nrọ a pụtara (ihu akwụkwọ 2).

Ọ bụrụ na Chikodili geere nwunye ya ntị ọ kagharaghị inweta onwe ya n'ọnọdụ ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. N'ihi na Chikaodili chiri ntị gaa ọrụ ụbọchị ahụ, ma o si n'elu ụlọ ebe ọ na-akụ osisi were daa wee kụjie mkpịsị ngụgụ ya nke mere ọ naghị agazi ije. Nke a gosịrị na nrọ dịka ndị Igbo kwenyere bụ ụzọ ịdọ aka na ntị, izi ozi maọbụ ihe nwere ike igosi ihe ga-eme n'ọdịnihu.

A hụtakwara nrọ n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe

> Ejike nọ na nrọ wee hụ ebe ya na Nonso na Ikechukwu na-akparịta ụka. Chinwe buuru nnukwu osisi na-achụ Nonso ka o gbuo. Nonso gbakpuru n'ime ụlọ kpọchie ụzọ n'ihi na ihe ọ hụrụ enyeghị ya ọnụ okwu. Ka Chinwe hụrụ na Nonso agbakpuola n'ụlọ, ọ laghachiri azụ ebe Ikechukwu nọ. N'agbanyeghị na Chinwe anaghị achụ ya, Ikechukwu malitere gbawa ọsọ ndụ ya. Ka ọ na-agba, mmiri di n'ala mịchara ya o wee kụọ isi n'ala wee bụrụ onye nwụrụ anwụ. Ọ bụ oge ahụ ka Ejike jiri malite n'elu akwa ya. Ihe dị etu ahụ ekweghị ya zuo ike. O mechara kọọrọ ya onye amụma maka ịkọwara ya ihe nrọ ahụ pụtara. Onye amụma gwara ya na nsogbu ya si n'ụlọ ya.
> (ihu akwụkwọ 56)

**Ịkpọku chi:** Ndị Igbo kwenyere na chi bụ mmụọ nke na-edu ma na-echebe mmadụ. Ịkpọku chi bụ omume mmadụ ji akpọku chi ya ka o nyere ya aka, gọzie ya maọbụ duzie ya n'ụbọchị ahụ. A na-emekarị nke a n'isi ụtụtụ site n'ekpere, ịkpọ aha chi. A hụrụ nke a n'akwụkwọ Anedo (2003) *Ekwutọsi,* mgbe Akupo bilitere ụra. Ọ wụrụ mmiri kwọchasịa aka ya na ihu ya, were malite kpewe ekpere sị:

> Chukwuabịama (o welie ihu ye elu, sahee ọba aka ya abụọ chee ha n'elu). Onye maara onye ọ ga-eke ma onye ọ ga-eke amaghị ya. A ma ama amasị amasị, onye naanị ya bi n'elu. I bi n'elu ọgọdọ gị na-akpụ n'ala. Olisebụlụwa, ogbenye ka ọgaranya. Ekele kwa m gị ka m si ekelebu gị. A gwara m gị na Ị na-emere m, aga m ekele gị na-aga n'ihu. Chukwu biko lekwa m, lekwa nwunye m, lekwa ụmụaka anyị, ekwekwala ka ndị ajọ mmadụ nwete ha. Onye sị na ọ bụ ya, were isi ya buru. Egbe bere ugo bere, nke sị ibe ya ebela nku kwaa ya. (Ọ kwọrọ obere mmiri gbafuo n'ala sị) ala Ọzụma lee mmiri kwọọ aka. Ndị ichie leenụ mmiri kwọọ aka. Ajana kwọkwaa aka. Alụsị nwere aha kwọọnụ aka. Ndị na-enweghị aha ụnụ akwọkwala
> (ihu akwụkwọ 15-16)

Nke a gosịrị n'isi ụtụtụ, tupu ha emewe ihe ọbụla, ha ga-ebu ụzọ kpọkuo Chi ha ka o chebe ma duzie ha n'ụbọchị ahụ. Ha na-eme nke a n'ihi na ha nwere ntụkwasịobi na Chi ha.

**Ịgba afa:** Ndị Igbo na-agba afa iji chọpụta ọtụtụ ihe gbagwojuru ha anya. Ọ bụ ụzọ mmụọ si egosi ihe zoro ezo. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ekwutọsị* (2003) mgbe Oriego malitere rịawa ọrịa afọ otuto. Nna ya na di ya gara n'afa ịmata ihe mere ede ji bee nwịị. Dibịa afa kwuru:

> Dowe ya n'ihu afa malite kụwa ogene tịn tịn gọngọn. Tịn tịn gọngọn, tịn gọtị go. Arọ gbanụ izuzu gba, Ovuve. Olee gị? (O welite ekpiri yọọ ya) chọm chọm chọm chọm chọchọchọ chọm. Iyi ọjị, ọrụkwa. Onye ọbụla meghere m ụzọ (ọ wụọ afa n'ala). Etu ululu na-aka otule, aka ahụ ọ na-aka bụ ya yiri ululo ose. Nne nwaanyị na-akwasị akwa ike ma akwa ọ na-akwa bụ ya riri ajọ nri. O ji ọnụ ya kwuo ajọ okwu (ihu akwụkwọ 74-75)

N'ihi nkwenye ndị be Odunze nwere n'ebe dibịa afa nọ mere ha jiri gawa ihu dibịa afa ịchọpụta ihe mere afọ ji eto Oriego.

**Ajọ omume nwere ụgwọ ọrụ, ezi omume nwekwara ụgwọ ọrụ:**

Ndị Igbo kwenyere na omume ọjọọ ọbụla mmadụ mere agaghị efu efu. Ọ ga-alaghachịrị ya n'ụzọ ntaramahụhụ maọbụ ihe ọjọọ. Etu ahụ ka ọ dịkwa n'ebe onye na-eme ezi omume. Onye ezi omume nwere ụgwọ ọrụ n'ihi na chi na ndụ n'onwe ya ga-akwụ onye ọbụla ụgwọ dabere n'omume ya.

A hụkwara ezi omume na ụgwọ ọrụ ya n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe Ikeora kwuru na:

> Adaeze kpọrọ Nneọma gwa ya na o nweghị ihe ọzọ butere ya n'ụlọ ya n'abụghị maka nwa ya bụ Obiọma. Ọ gakwara n'ihu kelee Nneọma n'ụdị ọzụzụ ọ zụrụ Obiọma n'agbanyeghị na di ya anwụọla. Adaeze kpọrọ Obiọma sị ya na ya kelere ya nke ukwuu na mbọ ọ gbara. O kwuru na ụfọdụ ndị mmadụ weere n'ihi Obiọma wee na-atụnyere ha n'ihe gbasara ịkwa akwa. O mechara bunye Obiọma ihe niile e ji akwa akwa o jiri bịa, wee sị ya ka o were malite nke ya n'ihi na ihe mmadụ ji amụta nwa bụ ọ zụchaa nwa ya ka nwa ya kara ya ma zụọkwa ya. Ka Adaeze chọrọ ịla, o tinyere aka n'akpa ya were ego dị otu narị puku nye Obiọma sị ya were kwụọ ụgwọ ụlọ ebe ọ ga-anọ were malite ọrụ ya. (ihu akwụkwọ 23-25)

E gosipụtara ajọ omume na ntaramahụhụ ya n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe Chinwe gburu di ya bụ Ejike were bo ya Nonso nwa nwanne Ejike. Ndị obodo mere ka ha ṅụọ iyi. Mgbe ha ṅụchara iyi, Chinwe dara n'ala wee malite:

> rịọwa arịrịọ, ka ndị obodo gbaghara ya n'ihi na ọ bụ ya gburu Ejike. Chinwe kwuru na ọ bụ ọgwụ o tinyere na nri ka di ya rie. Chinwe gakwara n'ihu mee ka ndị obodo mara na o teela aka ọ chọwara ụzọ ọ ga-esi gbuo Nonso mana o kweghi. Chinwe kwuchara ihe ndị a niile wee gbọọ ọbara n'ọnụ bụrụ onye nwụrụ anwụ. (ihu akwụkwọ 74)

Nkwenye a na-akụziri mmadụ ka o mee ezi omume ma zere ajọ omume n'ihi na ntaramahụhụ bụ ihe ga-esochi ajọ omume azụ.

**Ịṅụ iyi:** Ndị Igbo kwenyere na a na-eji ịṅụ iyi achọpụta eziokwu maọbụ kpebie ikpe mgbe esemokwu selitere. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe ndị obodo chọrọ ịchọpụta maọbụ Chinwe ka ọ bụ Nonso gburu Ejike. Ndị obodo kpọrọ onye ụkọchukwu. Ụkọchukwu kwuru sị:

> Na ya ekwupụgoro elu, kwupụrụ ala, wee sị ha ka ha soro ya kwuo ihe ọbụla ọ ga-ekwu, ọ malitere sị onye ọbụla aka ya dị n'ọnwụ Maazị Ejike, onye ahụ jiri ala zere mmiri. Ọ bụrụ nwoke gburu ya, ya were ala zere mmiri. Ọ bụrụ nwaanyị gburu ya, ya were ala zere mmiri. Akwụkwọ nsọ chọpụta onye ahụ ụbọchị Eke, chọpụta onye ahụ ụbọchị Orie, chọpụta onye ahụ ụbọchị Afọ, chọpụta onye ahụ ụbọchị Nkwọ, ma mee ka obodo mara onye ahụ. Onyenweanyị, ọ gwụla ka ọ ha m n'ọnụ. Ngwa ngwa ụkọchukwu kwuchara okwu ma na-eweta aka ka o nye ha abụọ mmiri nsọ, Chinwe dara n'ala sawa asịsa. (ihu akwụkwọ 73-74

**Ịgba ndụ:** Ndị Igbo, kwenyere na esemokwu nwere ike iri isi mmadụ. Ọ bụ ka e wee gbanarị ọnọdụ dị otu a n'etiti ụmụ mmadụ ka e ji agba ndụ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ekwutosi* (2003) mgbe ndị nwunye Odunze ekweghị Odunze ṅụrụ mmiri tọgbọ iko. Mgbe ọbụla asịrị na-arị ibe ya elu. Odunze gakwuru ụmụnne ya abụọ bụ Akupo nạ Udo, kọọrọ ha ihe na-eme n'ezinaụlọ ya. Udo gwara Odunze sị:

> Ihe m nwere ikwu bụ na ọ bụ ihe a na-eme ka Ekwueme mere maka na ya bụ ihe bụ ube a tụrụ n'afọ ka o bu. Ihe m ji sị na ọ bụ ube a tụrụ n'afọ bụ na a sị ka a hapụ ya, Ị mara na ndụ nwanne anyị nwoke agaghị adị ogologo. Ma otu a, a na-achọ ka e kwuo ya, o nweghị onye ga-ekwete nke ọ sịrị na nke o mere. Ihe m ji ekwu otu a bụ na o nwere ebe m nọ were na-anụ a gwọrọ ọgwụ ka ọ bụ na a gwọghị. Ya bụ na e kwusie ihe ọbụla a ga-ekwu, ụnụ niile ga-aga agba ndụ. Nke a apụtaghị ka mmadụ nwụọ, kama ọ bụrụ na e nwere ihe dị otu a ka ọzọ ghara ime. (ihu akwụkwọ 20-21)

**Ịkwa ozu:** Ndị Igbo kwenyere n'ili onye nwụrụ anwụ nke ọma ma nye ya ugwu kwesịrị ya. Nke a na-eme ka mkpụrụobi onye ahụ zuo ike nke ọma. Ọ na-eme ka onye ahụ bụrụ onye sonyere n'otu ndị nna nna (ndịichie). A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe nwanne Ejike bụ Chikaodili nwụrụ. E mere ka a mara na:

> Ejike gbara nnukwu mbọ hụ na ọ kwara nwanne ya ka e si akwa mmadụ ka mkpụrụobi ya were ruo ala mmụọ n'ihi na ha kwenyere na onye a kwaghị akwa anaghị eketa oke n'ala ndị mmụọ. (ihu akwụkwọ 20)

**Aha onye na-achọga ya:** Ndị Igbo kwenyere na aha mmadụ nwere ike iduga maọbụ metụta ndụ ya. Ihe aha pụtara nwere ike ịpụta na ihe na-eme na ndụ ya. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe:

> Nonso gụchara akwụkwọ nke sekọndịrị wee lelee ule a kpọrọ jambụ ma soro na ndị ule ha dị mma ga-abanye mahadum. Aha onye na-achọga onye. Chukwu nọnyeere Nonso n'ihe niile ọ na-eme dịka aha ya siri dị n'agbanyeghị nsogbu ọ na-enwe. Nonso gụrụ akwụkwọ na mahadum gbasara ka e si achọpụta mmanụ dị n'ime ala nke a na-akpọ "jiọlọji". O mechara si na mahadum pụta na- enweghị nsogbu ọbụla. (ihu akwụkwọ 28)

A hụkwara nkwenye n'aha onye na-achọga ya mgbe Chinwe chọrọ igbu Nonso. Aha ya zọpụtara ya. A hụrụ nke a mgbe:

> Nonso na Ikechukwu hụrụ onwe ha. Ikechukwu kelere Nonso na Chioma wee gaa tinye aka na nri ahụ Chinwe dọwaara Nonso. Ezigbo agụụ ji ya. Ọ bịara igbu m gbuo onwe ya abụghị ajọ ọgwụ. Mgbe nke a na-eme, Chinwe nọ na-asa ahụ. Ka Chinwe sachara ahụ pụta ka o butere di ya nri ka ọ hụrụ Ikechukwu ka ọ na-ata anụ dị na nri ahụ ọ dọwaara Nonso na Chioma. Chinwe tiri mkpu dị egwu mgbe ọ hụrụ Ikechukwu ka ọ na-ata anụ mana o nweghị onye ghọtara ihe mkpu ahụ pụtara. Ikechukwu malitere ịgbọ agbọ na-eti mkpu na-asị afọ ya, afọ ya. Ejike buuru Ikechukwu ngwa ngwa gawa ụlọọgwụ maka na e mee ngwangwa e meghara ọdachi. Ọnya Chinwe debeere Nonso amatala ngwere.

**Ịgọ ọjị:** Nke a bụ ihe dị mkpa n'ala Igbo nke na-egosi nsọpụrụ, nnabata, ịdịnotu, udo na njikọ mmadụ na mmụọ. Ndị Igbo na-agọ ọjị tupu a taa ya. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ekwutọsị* (2003) mgbe Odunze na Udo bịara n'ụlọ Akupo. Akupo jiri ọjị were nabata ha site n'iwepụta ọjị were malite ikwu:

> Onye wetere ọjị wetere ndụ. Ya bụ na ihe mbụ anyị na-arịọ bụ ndụ onye ọbụla, ndụ nwoke, ndụ nwaanyị, ndụ okenye, ndụ nwata. A na-arịọkwazi ahụ isiike maka na ọ bụ ahụ ike bụ ndụ. Ihe ọzọ anyị na-arịọ bụ nwa, anyi ehighị nnee. Ya bụ na ihe anyị na-arịọ bụ onye tụrụ ime ya mụọ n'udo. Ego dịkwuazi anyị mkpa n'ihi na ọ bụ ego ka anyị ga-eji zụtara ụmụaka ihe oriri. Anyị nwetasịa ihe ndị a niile, otu ihe fọdụrụ. Ihe ahụ bụ ụzọ anyị ga-esi chụla asịrị n'etiti anyị. Ọ bụrụ na nke a emeghị anyị agaghị enwe udo maka na asịrị na-etisa enyi na enyi, nwanne abụọ, nne na nwa, di na nwunye na-etisakwa obodo na obodo. E ji m ọjị a, were na-arịọ Ọbasị bi n'elu ka Ọ nọnyere anyị na nzukọ a nwa nwanne anyị nwoke kpọrọ anyị ma hụkwa na ọ mịtara mkpụrụ. (ihu akwụkwọ 23-24)

**Diọkpara ịnọchi anya nna ya:** Nke a bụ usoro ndị Igbo si hazie ezinaụlọ ebe diọkpara na-aghọ isi ụlọ mgbe nna nwụsịrị. Diọkpara nwere ikike pụrụ iche ịga n'ihu n'ọrụ nna ya, gụnyere ikekọta ezinaụlọ na ime ihe gbasara ndị

nna nna. Ọ bụrụ nna na-enweghị diọkpara, obi anaghị eru ya ala. Ọ ga-achọ ụzọ ọ ga-esi enweta nwa nwoke ga-anọchi anya ya maọbụrụ na a chọọ ya ka obi ya ghara ichi. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe:

> Ejike na-eche echiche n'ihi na Ikechukwu bụ otu nwa nwoke ọ mụtara anwụọla. Ọ bụ naanị Ndidi bụzi nwa ha ji. Mana, a ga-amata na ọ bụ nwoke na-anọchi obi nna ya, ma ọ bụrụ na a chọọ nna ma a hụghị. Ihe ndị a bụ ihe Ejike na-eche. Ejike chetara na ọ ga-akara ya mma ịlụ nwaanyị ọzọ ka obi ya ghara ichi n'ihi ọ bụrụla okenye, tinyekwara na Chinwe nwunye m agakwaghị atụli ime ọzọ. (ihu akwụkwọ 50)

A hụkwara ọrụ diọkpara n'akwụkwọ *Ekwutọsị* (2003) mgbe Odunze gwara diọkpara ya sị:

> Ị ga-amata na ọ bụ ọrụ gị ikpọkọta ụmụnne gị ndị a n'ihi na a chọọ m ma a hụghị m, Ị bụrụ nna ha, cheta na onye nwe ọba kpọọ ọba ya mkpọkọrọ, agbataobi ya, ewere ya kpoo ntụ ọ gwụ ka ọ ha m. (ihu akwụkwọ 10)

**Ịkpọ ọlụlụ:** Nke a bụ usoro nwoke si eme ka ezinaụlọ ya mara na ya chọrọ ịlụ nwaanyị. N'ala Igbo, nwoke ọbụla hụrụ na ya etozuola ogo ịlụ nwaanyị na-eme ka nne na nna ya mara ebumnuche ya ka e nwee ike ịchọrọ ya nwaanyị ọ ga-alụ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe:

> Nonso rụrụ ọrụ ihe karịrị afọ isii, o kpebiri n'ime obi ya na ọ ga-alụ nwaanyị, ebe ọ bụ na o nwetawala ego nke aka ya. Nonso pụtara otu ụbọchị gakwuru nne ya wee gwa ya ka ọ chọwara ya ezigbo nwaanyị ọ ga-adabara ya na ya. Ọ gwara nne ya na ihe ọ chọrọ bụ nwaanyị na ọ bụghịkwa nwa agbọghọbịa. (ihu akwụkwọ 34-35)

**Ịlụ Nwaanyị:** Nke a bụ alụmdi na nwunye n'ala Igbo nke na-ejikọta ezinaụlo abụọ ọnụ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ekwutosi* (2003) mgbe e jikọtara ezinaụlọ Odunze na Nwalioba. E jikọtara Chinyere nwa Odunze na Nwalioba nwa Ayoego ọnụ. A hụrụ nke a mgbe:

> (Uchenna buputere ihe niile n'ọgbọ) Odunze na ụmụnna ya, ọ bụ anyị bịara. Ọ bụ nwa anyị bịara. Ọ bụ Nwalioba bịara wee were ọjị, akpati sịga abụọ, otu naịra, a ga-eji waa ọjị a, tinye n'ọkwa ọjị a. O butekwuru otu ite mmanya, otu kalama mmanya ọkụ, wee sị na ya ji ya ekele ụnụ, wee na-agwakwa ụnụ na ya hụrụ ihe dị mma na be ụnụ, ya wee sị ka ya bịa gwa ụnụ na ihe ahụ masịrị yạ. N'ihi ya, na ya ga-alụ ma ọ bụrụ na ọ masịrị ụnụ. (ihu akwụkwọ 59)

**Ekele:** Ekele bụ omenala ndị Igbo nke a na-eme kwa ụbọchị, nke na-egosipụta nsọpụrụ, ịdị umeala n'obi na ezi agwa. E weere ekele dịka ihe dị mkpa n'ime mmekọrịta mmadụ na ibe ya. A hụrụ mmekọrịta n'etiti Odunze na Obiageli site n'ụzọ ekele, mgbe Odunze kwuru:

Odunze: Mmadụ ọ nọkwa ebe a ee?
Kedụ ndị nwe ụlọ a?
Obiageli: Onye? Onye na-ekwu?
Odunze: Ọ bụ m Odunze
Obiageli: O o di m! Ọ bụ gị? Ị bọọla chi?
Odunze: Ee Ị bọọla. Kedụ maka ụmụaka anyị,
ha pụtakwara?
Obiageli: Ha nosị. Kedụ maka ndị nke gị?
Odunze: Ha apụtasịala, olee nna ụnụ, Ọ nọkwa ya?
Obiageli: Ọ nọ ya kama ọ nọ n'ụra. Ọ dịkwa na mma?
Odunze: Eee ga gwa ya na m chọtara ya (ihu akwụkwọ 14)

**Ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị:** A na-akpọ nke a ime ego nwaanyị n'ala Igbo. Ọ bụ ego a na-akwụ iji kwado ma mechie nkwekọrịta alụmdi na nwunye n'ala Igbo. Mgbe e mechara ya, a na-ewere nwaanyị ahụ dịka nwunye nwoke bịara rịọ ya ka ọ lụọ ya. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ụwa Dị Omimi* (2015) mgbe

> Ejike chọrọ ịlaghachị azụ Ọnịcha, ọ họpụtara mmadụ ole ole n'ime ụmụnna ya wee gwa ha na ya ga-eso ya gaa mee ego n'isi Obiageriaku ụbọchị izu abụọ na-abịa n'ihu. O nyere otu nwoke a na-akpọ Orakwuo ego dị puku naịra ise ka o were zụta mmanya ngwọ na obere ihe ndị ọzọ a ga-eji mee mmemme ahụ tupu o wee laghachị azụ n'Ọnịcha.
>
> Ejike mechara kpọrọ ụmụnna ya ụfọdụ gaa mee ego n'isi Obiageriaku dịka e si eme n'omenala Igbo tupu ọ laghachi Ọnịcha. Ejike kwere nne na nna Obiageriaku nkwa na mgbe eteghị aka, ya na ndị obodo ya ga-abịa maka ịgba nkwụ n'isi nwa ha nwaanyị. (ihu akwụkwọ 59-60)

**Ịjụ ase n'aka ndị dibịa afa:** Ndi Igbo kwenyere na ọ bụrụ na ihe mere, o nwere ihe kpatara ya. Ya mere, ọ dị mkpa ịjụ ase iji mata ihe gbasara ndụ mmadụ. Onye dibịa afa bụ onye nwere mmụọ ịgụ afa maọbụ ịkọ ihe ga-eme. A na-emekarị nke a karịsịa mgbe nsogbu maọbụ ihe ọjọọ mere n'ezinaụlọ maọbụ n'obodo. E gosipụtara nke a n'akwụkwọ *Ekwutosi* (2003) mgbe:

> Oriego malitere rịawa ọrịa afọ otito nke ndị ụlọ ha na di ya gara dibịa nta, gaa nke ukwu ma o nweghị isi. Ezinaụlọ ha na-agbagharị. Onye hụrụ ya agaghị ekwete na ọ ga-adị ndụ tupu echi. Nna ya na di ya gara na nke dibịa afa bụ Agabu ịmata ihe mere ede jiri bee nwịị (ihu akwụkwọ 73)

**Ihe ndị a Chọpụtara**

Nsekesi na nnọchite anya nkwenye na omenala ndi Igbo n'ime agụmagụ, a chọpụtara na agụmagụ na-arụ ọrụ dị mkpa nke e ji ahụ ndụ, nkwenye na omenala ndị Igbo. Agụmagụ na-egosipụta nke ọma otu ndị Igbo si aghọta ụwa, otu ha si akpa agwa na usoro ha si ebi ndụ kwa ụbọchị n'obodo ha. Site n'agụmagụ, a na-ahụ nke ọma na nkwenye ndị Igbo dịka nkwenye ịṅụ iyi iji chọpụta eziokwu, ịgba ndụ nke na-egosi njikọ siri ike n'etiti mmadụ na ibe ya.

Ọzọkwa, agụmagụ na-akọwapụta omenala dị iche iche dị ka ịgọ ọjị, ịlụ nwaanyị, ịkwa ozu, ekele na usoro ezinaụlọ dịka ikike diọkpara nwere ịnọchi anya nna ya mgbe ọ nwụrụ. Ihe ndị a niile na-egosi na omenala Igbo nwere usoro siri ike nke na-achịkwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

N'otu aka ahụ, agụmagụ na-egosipụta ụzọ ndị Igbo si ekpe ikpe omume ọma na omume ọjọọ na nkwenye ha na ezi omume na-eweta ụgwọ ọrụ ebe omume ọjọọ na-eweta ntaramahụhụ. Ọ na-enyekwa aka ichekwa akụkọ ọdịnala na amamihe ndị Igbo site n'otu ọgbọ ruo n'ọzọ.

Agụmagụ bụ ngwaọrụ dị mkpa nke na-eme ka omenala na nkwenye ndị Igbo dị ndụ bụrụkwa ụzọ e si akụziri ndị mmadụ ndụ ọma na usoro obodo.

**Alo**

A na-atụ alo ka ndị odee na ndị nchọpụta gbasie mbọ ike n'iji agụmagụ chekwaa ma kwalite nkwenye na omenala ndị Igbo ka ọdịbendi ndị a ghara ifu n'ihi mgbanwe oge a. Ọ dịkwa mkpa ka ndị nkụzi na ụlọ akwụkwọ tinye ọmụmụ gbasara omenala na nkwenye ndị Igbo n'ọrụ n'agụmakwụkwọ ha, ka ụmụaka na ndị ntọrọbịa nwee ike imata ma nwee mmasị n'omenala ha.

A na-atụkwa alo ka e nwee mgbalị siri ike n'ịkwalite ojiji asụsụ Igbo n'ime agụmagụ, ebe asụsụ bụ ụzọ kachasị mkpa e si echekwa omenala na echiche ndị mmadụ. Ọzọkwa, ndị ọchịchị kwesịrị ịkwado mmemme na nnyocha gbasara omenala ndị Igbo, site n'inye ndị odee nkwado kwesịrị ekwesị. Nke a ga-enye aka ime ka agụmagụ Igbo too ma bụrụ ụzọ a ga-esi ebufe nkwenye na omenala ndị Igbo nye ọgbọ na-abịanụ.

**Mmechi**

Ndị odee n'isiokwu a a na-enyocha na-egosipụta agụmagụ dịka ngwaọrụ dị mkpa nke na-egosi ma na-akọwa omenala na nkwenye ndị Igbo. Ha na-eme ka o doo anya na agụmagụ nke otu agbụrụ bụ nchịkọta zuru ezu nke usoro ndụ ha, nke gụnyere omume, echiche na nkwenye ha niile. N'ihe gbasara ndị Igbo, a na-egosi n'ụzọ doro anya na ha bụ ndị nwere nnukwu omenala na nkwenye dị iche iche nke na-apụta ihe n'ụzọ ha si ebi ndụ kwa ụbọchị dịka e gosipụtara n'ime agụmagụ abụọ a e nyochara.

Ndị odee arụwo ọrụ dị mkpa n'ime ka ndị Igbo n'onwe ha na ụwa niile nweta nghọta miri emi banyere omenala na nkwenye ndị Igbo, ya na otu usoro omenala na nkwenye ndi a si metụta ma na-eduzi ndụ ha kwa ụbọchị.

**Nrụtụaka**

Abakere, C. (2009). Definition of culture in Aghamelu F. and Asomugha. C. (eds) *Readings in African Thought and culture*. Enugu: Strong Tower books.
Anedo, O.A. (2003). *Ekwutosi.* Owerri: Unity Press.
Ani, N. & Anachunam, C.C. (2021). Nzipụta Ọnọdụ Ụmụnwaanyị n'akwụkwọ ejije Igbo a họọrọ: Ihe ịdọ aka na ntị nye ụmụ Igbo. *Enyo Jọnal otu ndị ji edemede akwalite Asụsụ na Omenala Igbo*. 2(1), 56-67.
Anozie, C.C. (2003). *Igbo kwenu (Akụkọ na Omenala ndi Igbo).* Enugu: Computer Edge Publishers.
Chinagọrọm, L.C. (2013). *Uru Ezi Akanka n'Agụmagụ na Nnyocha Agụmagụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers.
Eze, P. (2019). Literature and moral Instruction in African Societies. African *Journal of Social Studies.* 14(2), 77-90.
Ibekwe, C. (2020). Igbo Literary artists and Cultural representation. *Journal of African Indigenous Literature*. 12(3), 88-102.
Ikeora, A. (2015). *Uwa Di Omimi.* Anambra: Uzuoji Publishers.
Mbah, B.M, Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O., Nweze, I.M., Ugwuona, C.N., Akaeze, C.M., Onu, J.O.; Eze, E.A., Prezi, G.O., & Odii, B.C. (2013). *Igbo Adị.* Enugu: University of Nigeria Press.
Nduka, E. (2014). Preserving the Igbo Cultural Dogma Via Literature. Retrieved 2nd January
Nsolibe, O. (2011). *Ụjụ Ụtọ Asụsụ Igbo.* Onitsha: Perfect Image Publishers.
Okafor, C. (2016). Themes and settings in Modern Igbo Novels. *Journal of African Cultural Studies*. 9(2), 101-118.
Okafor, C.U. & Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi Asụsụ Igbo.* Onitsha: A.C. Global Publishers.
Okpwho, I. (2009). *African Oral Literature: Background, Character and Continuity.* Blomington: Indiana University Press.
Onwuka, U. (2011). Literature as a tool for social change. *Journal of African Education.* 6(1). 12-25.
Silas, M.O. (2011). The Oral Liteature in Writen form: Its concept in society. Retrieved on 16th December, 2014 from http://www.penguim.com
Stauart, H. (1997). *Representation: Cultural Representations and Signifying Practices*. London: Sage Publications & Open University.
Uzochukwu, P. (2018). Igbo Literature and Cultural Identity. *International Journal of African Studies.* 11(2), 67-80.